AGỤMAGỤ DỊ KA ENYO E JI AHỤTA EBIMNDỤ NDỊ IGBO: ILEBA ANYA N'IDUUAZỊ IGBO ỤFỌDỤ

Ogochukwu Roseline Ifeka
Mahadum Chukwuemeka Chukwuemeka Ọdụmegwu Ojukwu,
Igbariam campus
ogochukwuifeka@gmail.com

na

Amalachukwu Peace Ego
Mahadum Chukwuemeka Chukwuemeka Ọdụmegwu Ojukwu,
Igbariam campus
durumije@gmail.com

Ụmị

N'ihi mmepe batara n'ala Igbo n'oge ugbu a, ọtụtụ ụmụ Igbo amaghị nsihụtụụwa ndị Igbo. Nke a mere ndị odee ji bagide ime nchọcha n'isi okwu edemede a nke hiwere isi n'iji iduuazị ezipụta ebimndụ ndị Igbo site n'ịgba n'anwụ ka ndị odee a họọrọ iduuazị ha si jiri ha zipụta ebimndụ ndị Igbo. A na-atụ anya na nke a ga-enye aka mee ka ihe gbasara iduuazị pụtawaga ihe. Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta etu ndị Igbo si ebi ndụ ha na ka ndị odee ndị a si zipụta ha n'edereede ha. A gbasoro Atụtụ Amụmamụ Omenala were mee nchọcha a. Atụtụ a na-elekwasị anya n'etu ihe si metụta ihe gbasara echiche, mba na agbụrụ ha. Ụdịdị nchọcha e mere bụ nke nkọwa n'ihi na ọ bụ usoro a ga-enye aka ka a ghọta nke ọma etu ihe si kwụrụ. Nchọpụta na-egosi na iduuazị ndị a bụ enyo e ji ahụta ebimndụ ndị Igbo n'ihi na ha zipụtara ọtụtụ ihe e ji mara ndị Igbo nke gụnyere ọrụ ugbo, ịgba mbọ, ịhụnanya na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. A chọpụtakwara na iduuazị so n'otu ụzọ e si agbazi akparamaagwa ndị mmadụ n'ihi na onye gụrụ iduuazị ndị a ga-amụta ọtụtụ ihe n'ime ha. N'ikpeazụ, a chịkọtara nchọcha ma tụnyekwa alo ka onye ọ bụla bụ nwaamaala Igbo malite inwe mmasị n'ịgụ agụmagụ iduuazị n'ihi na ọtụtụ ihe mmụta jupụtara n'ime ya.

Abstract
There is a decline in the knowledge of Igbo culture among the Igbo people as a result of civilization and global interactions. This concern prompted the researchers to embark on this study which aims to x-ray how the Igbo novelists were able to creatively use their works to showcase how the Igbo people live. This will enable the public to be aware of "the past and the present state of affairs" as regards the Igbo people's philosophy about life. This study embraces the Cultural Studies theory for analysis. It discusses the cultural life of the race. It is also expected that this will help to promote the Igbo creative works. This research is descriptive as it will help showcase the state of things. Findings show that these creative works serve as mirrors to see the lifestyle of the Igbo people because they show-case a lot of things by which the Igbo people are known, which include farming, hardwork, love etc. It was also found out that prose is one of the ways to correct people's character because any body that reads these works will learn a lot of things from them. The study was concluded and the researchers recommended that every Igbo person should develop interest in reading creative works written in Igbo because there are a lot of lessons in them.

1.1 Okwu Mmalite

Site n'ihe ndị odee dere gbasara agụmagụ gosiri na agụmagụ bụ ọrụ nka nke sitere n'echiche pụta ma bụrụ nke e si na ya egosipụta ihe ọ bụla e dere ede ma ọ bụ nke a kọrọ n'ọnụ. Agụmagụ ndị na-arụtụ aka n'obibi ndụ ndị nwe agụmagụ ahụ. Agụmagụ bụ ekwumekwu ahụ e jiri asụsụ nka saa ahụ iji kọwapụta echiche odee nwere maka ihe mere ma ọ bụ ihe ndị megasịrịnụ. Otu odee siri họta mkpụrụ okwu ya na ihe ndi o jiri kwuo okwu na akanka o jiri dee ya na atụmatụ okwu dị iche iche o webatara na-eme ka edemede kaa akaa ma dịkwa ụtọ ọgụgụ. Mgbe odee ma ọ bụ ọkọ akụkọ na-ewebata mkpụrụ okwu ya, ọ na-ewebatakwa ọtụtụ ihe ndị e ji uche amata tinyekwara ihe ndị e ji anya ahụ, ihe ndị a na-eme ka ọgụụ/ogee ghọta ihe a na-ekwu ọsọọsọ. Agụmagụ bụ enyo e ji ahụ ihe na-eme n'ụwa nakwa ụzọ e si egosipụta echiche gbasara ọnọdụ ihe na-eme n'ụwa taa.

Ọ bụ ihe inwe obi aṅụrị na ọtụtụ ndị amaala Igbo edeela ọtụtụ akwụkwọ wee na-akwalite asụsụ na omenala Igbo. Ndị dere akwụkwọ edeela ma ihe ọzọ kwesịkwara ime bụ ka o nwee ndị ga-ewepụta oge ha wee tụlee ma nnyochaa agụmagụ e derela nke ga-abụ ka ndị mmadụ nwee mmasị ịzụrụ ha n'ahịa ma na-agụkwa ha nke ọma. Odeiduuazị bụ ndị ji ekereuche ha chemie echiche ime wee dee akwụkwọ iduuazị dị iche iche. N'akwụkwọ agụmagụ ọ bụla, e kwesịrị na a ga-enwe ndịna na ọdịdị n'ime ya. Nke a gosiri na akwụkwọ agụmagụ ahụ nwere isiokwu e ji dee ya nke zipụtara ndịnisiokwu, nwekwaa ọdịdị ya nke ga-eme ka ihe odee na-ekwu maka ya metụta ọgụụ n'ahụ n'ụzọ pụrụ iche. Nke a gosiri na odeiduuazị aghaghị Iwepụta nkamma n'akwụkwọ iduuazị ya nke ga-eme ka mmetụtaobi pụta ihe n'akwụkwọ iduuazị ya. Agụmagụ na-enye obi ụtọ; e ji ya anọrị oge; ọ na-ewetakwa ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya.

Agụmagụ dị ka enyo e ji ahụta ebimndụ ndị Igbo pụtara etu ndị odee si e ji agụmagụ ha ezipụta etu ndị Igbo si ebi ndụ ha. Ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị ịgba ebimndụ ndị Igbo n'anwụ iji wee mata etu ha si ebi ndụ n'oge gboo na n'oge ugbu a. Ọ bụkwa ụzọ mmadụ si ahụ ihe na-eme n'ụwa nakwa na ndụ ya. Ọ na-enyekwara mmadụ aka ibi ezi ndụ. Enyo na-eme ka mmadụ mara na ndụ ọ na-ebi kwesịrị ịbụ ndụ a na-eṅomi eṅomi. Ọ na-enyekwara anyị aka iji chee echiche gbasara ọnọdụ ihe na-eme n'ụwa taa.

Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ atọ kachasị na Naịjirịa nke gụnyere: Awụsa, Igbo na Yoruba. N'ime agbụrụ ndị a, ndị Igbo bụ ndị e ji ibi ezigbo ndụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya wee mara n'oge gboo. Onye Igbo anaghị enwere nwanne ya anyaukwu ma ọ bụ gbuo ya. Ndị Igbo n'oge gboo, bụ ndị e ji ịgba mbọ na ọrụ aka dị iche iche wee mara. N'oge ugbu a, e nweela ọtụtụ mgbanwe gbasara ebimndụ ndị Igbo. Ọtụtụ ndị Igbo anaghịzị agbamboọ n'ihi na ha na-ebizị ndụ ọchaa-sị-gbute ọchaghị sị gbute. Ha kwenyere na ego mbute , nke mere ụfọdụ ji anwụ ọnwụ ike. Ha enweghịzị ịhụnanya ọ bụla n'ebe nwanne ha nọ.

Iduuazị bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ Igbo nke mpụtara akụkọ. Ọ bụ akụkọ mmadụ ji uche ya wee chepụta ma detuo ya n'akwụkwọ iji kuziere ndị mmadụ ihe. Iduuazị na-enye obi ụtọ ma a na-akọ ya. Ọ bụkwa ihe mmadụ ji anọrị oge mgbe o mechara ihe dịịrị ya. Ọ na-enyekwa mmadụ ego, ya bụ, ndị odee dere ya. Iduuazị na-eweta mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya n'ihi na onye gụchaa akwụkwọ agụmagụ Igbo, o nye nwanne ya. Ọ na-enyekwa aka ịkwalite agụmagụ Igbo

1.2 Agụmagụ

Ụzọchukwu (1990) na-akọwa iduuazị ka aha sitere n'okwu mmebere. O kwuru na iduu so n'otu ngalaba ifo, nke bụ akụkọ ọdịnala a rọrọ arọ gbasara ihe mere n'ala Iduu na ọba; 'azị' pụtara mmadụ ugbu a, nke abụghị mmadụ e ji ọdịnaala mara. Ya bụ, iduuazị pụtara akụko a rọrọ arọ nke

mmadụ ugbu a. Ihe jikọrọ iduu na iduuazị ọnụ bụ na a rọrọ ha naabọ arọ, ya bụ, ha bụ akụkọ ndị mmadụ ji ekereuche ha were rọgota.

Na nkọwa Ezikeọba (1991), iduuazị bụ okwu e si n' okwu abụọ wee mepụta. Okwu abụọ ndị a bụ "iduu" nke na-arụtụ aka n'akụko ifo ochie totụrụ ogologo. Ọ na-akọwa ya ka akụkọ mmadụ chepụtara ihe gbasara ya n'onwe ya wee kọọ. Ọ ga-eto ogologo ma nwee usoro nhazi akọmakọ ma ọ bụ edemede. Okwu nke abụọ mebere iduuazị bụ "azị" nke pụtara mmadụ ugbu a. Randall (2002) kwadoro nke a site n'ịsị na iduuazị bụ akụkọ odee iduuazị dere ka o were gosi mmadụ bi n'ụwa otu o siri hụta ụwa, na ihe na-eme n'ụwa na nke nwere ike imekwa eme n'ụwa site n'ime ka akụkọ ya metụta ọgụụ n'ụzọ pụrụ iche. Nke a pụtara na iduuazị dị ka akụkọ odee iduuazị chepụtara n'isi ya ka o were kụziere mmadụ ihe nwere ike ime eme n'ụwa dabara nke ọma. Ọzọ, ebumnobi odee iduuazị aghaghị ịbụ ịkọ akụkọ ya ka ọ kụziere ọgụụ ihe na-eme n'ụwa ma ọ bụ ihe nwere ike ime eme n'ụwa a na-ahụ anya.

1.3 Ebimndụ Ndị Igbo

Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ atọ kacha pụta ihe n'ala Naịjirịa. Ha bi n'ọwụwa anyanwụ mba Naịjirịa. Ọ dị Steeti ise pụtara ihe mewere ala Igbo ndị gụnyere: Steeti Imo, Abia, Anambra, Enugwu na Ebonyi. Ndị Igbo bụ ndị a ma n'ọtụtụ mba ụwa n'ihi ịdị uchu n'ọrụ, ya na ịgba mbọ n'ebe ọ metụtara ịchụ nta akụ na ụba dị.

Isichei (1976) kwuru na tupu ndị ọcha awụchie n'ala Igbo na ndị Igbo nwere usoro ha si hazie onwe ha. Ọchịchị ala Igbo bụ ndị okenye na otu ọgbọ ka ọ dị n'aka. Igbo enweghị eze kwupụtara nke ọma dị ka ndị Yoruba na Benin. Cheta na nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Igbo, ebe a hụtara ihe dị ka eze bụ ndị nwetara ụdị ọchịchị ahụ site na ndị agbataobi ha dị ka ndị bidebere ndị Ibibio na ndị Igbo ofesị Naịja bidebere ndị Benin. E wepụ ndị dị otu a, ọchịchị na nhazi ala Igbo dabeere n'ogbe n'ogbe. Ogbe ndị a bụkarị ndị okenye, ndị ọzọ̄ na ndị otu nzuzo dị ka mmanwụ, oshereji, Ekpe, Ọkọnkọ, Ọbọm na ihu mmụọ na-enye aka achịkwa ogbe na obodo ha. Ndị mepụtara ihe ike na ihe a hụrụ anya na-enyekwa aka n'ọchịchị obodo. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a wetara ilu a: nwata kwọchaa aka o soro ọgaranya rie nri. Ụmụọkpụ (ụmụada) na-enyekwa aka edozi okwu dapụtara n'ezi nụ ụlọ nakwa ogbe ha n'ala Igbo. Ofomata (2007) na-akọwa na e nwere ọtụtụ ihe e ji mara ndị Igbo, nke gụnyere: asụsụ, erimeri, azụmahịa, omenala, akaọrụ, ọrụ ugbo na ọtụtụ ndị ọzọ.

1.4 Nzipụta Ebimndụ Ndị Igbo n'Agụmagụ Igbo Ụfọdụ

N'ebea, a gbadoro ụkwụ n'itụcha iduuazị ndị a họọrọ n'otu n'otu iji zipụta ebimndụ ndị Igbo.

1.4.1 Nwaanyị Ilekọta Ụmụ Nwunye di ya

A hụtara nlekọta nke nwunye di na-elekọta ụmụ nwunye di ya n'iduuazị *Ụgwọọrụ* dị ka otu n'ime ebimndụ ndị Igbo, n'akwụkwọ iduuazị a, odee zipụtara ya na ndụ Nwamgbọ sị: "Ha hụrụ onwe ha n'anya karịa nke Romi na Julet. Ya mere mgbe Nwamgbọ na-achọ ịnwụ, ọ gwara di ya ka o were Ọbịageli dị ka nwunye ya ma a chọọ ya ahụghị" (ihu 3). Odee webatara nke a iji gosipụta na ndị Igbo bụ ndị na-elekọta ụmụaka anya n'agbanyeghị na ọ bụghị ha mụtara ụmụaka ahụ. Mgbe Nwamgbọ nwụchara, Ọbịageli nwekwara ịhụnanya n'ebe ụmụ ejima ahụ nọ; ọ bụ ya mere o jiri kue ụmụ ejima nne ya ukwu mụtara afọ ise. A hụtara nke a site n'agwa a bụ Ọbịageli dị ka Anidobe (2017:10) zipụtara:

> O kuru ha afọ ise chara acha. Mgbe ahụ ihe dị n'ezinụụlọ amarala ya ahụ. Nna ha mechara lụwa Ọbịageli ka afọ ise gachara. Nwunye nna ha bụ Ọbịageli enweghị nsogbu ụmụnwaanyị ụfọdụ a lụbatara n'ụdị ọnọdụ dị otu a na-enwe (ihu 10).

1.4.2 Otu Onye Anaghị Azụ Nwa

Ndị Igbo kwenyere na otu onye anaghị azụ nwa dị ka e zipụtara n'iduuazị *Ụgwọọrụ*. Odee gosipụtara nke a site n'aha ha na-agụ nwa ha dị ka: Nwaọra, Adaọra, Ọrakwue dgz. Odee ji anụghị ndụmọdụ were zipụta n'iduuazị ya na otu onye anaghị azụ nwa. Ndị Igbo kwenyere na ọ bụrụ na e nye nwata na-eme ihe ọjọọ ndụmọdụ na ọ ga-enyere ya aka ma mee ka o si n'ime ya pụta. Anụghị ndụmọdụ na-ewetara ụmụaka ọtụtụ ihe na ndụ a. Ụmụaka anaghịzị anụ ndụmọdụ ndị mụrụ ha na nke ndị okenye. Ha anaghịzị anụ ndụmọdụ a na-enye ha n'ezinụụlọ. Anụghị ndụmọdụ na-ewetara ụmụaka ọnwụ erughị eru; ọ na-ewetara ha ahụhụ, nhụjuanya, agaghị n'ihu, ịkpọ asị, ịkwa mmakwaara, ihe isi ike na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Odee gosipụtakwara anụghị ndụmọdụ n'iduaazị ya dị ka ọ dị na ndụ Nneka na Makarịsịa, Anidobe (2017:30) sị:

> Dị ka ara pụrụ ahịa esighị nwe ngwọta ka ụra fere izu siri bụrụ ọnwụ. Omume Nneka apụọla n'egwu nke na o nweghịkwa onye ọ na-anụ ndụmọdụ ya. Nke ugbu a bụ onye ndị mmadụ agụnyeghị n'ezigbo nwatakịrị bụzị ọkwụ ya. (ihu 13)

"Ndụmọdụ niile a na-enye ya gbasara Makarịsịa abụghị ya ka ị na-agwa. Makarịsịa n'onwe ya akarịala ndị be ha. Ihe ọ bụla masịrị ya ka ọ na-eme. (ihu 15)." Ndị Igbo nwere ụzọ dị iche iche ha si azụlite nwata n'ụzọ ziri ezi nke inye nwata ndụmọdụ bụ otu n'ime ya. Iduuazị a bụ *Ụgwọọrụ* gbara ihe ndị a niile n'anwụ, o zipụtakwara ntaramaahụhụ dịịrị onye ọ bụla na-adighị anụ ndụmọdụ, ka anyị mụta ihe n'ime ya. Ọ bụ anụghị ndụmọdụ mere na Nneka na Makarịsịa enwetaghị ihe ha kwesịrị inweta. Ha bụ ụmụ aka Chineke ji amamiihe were chọọ mma, ha makwaara akwụkwọ mana enweghị ndụmọdụ mere ka ihe ndị a niile bụrụ ihe lara n'iyi.

A hụtakwara ya ọzọ n'iduuazị *A na-agwa ntị*. Nne na nna Ụba bụ ndị na-eji ndụmọdụ asa Ụba ahụ mana Ụba jiri aka ya kpebie na ya agaghị erube isi na ndụmọdụ ha. Odee ji agwa Ụba were zipụta ya sị: "Uba anaghị echefu ndụmọdụ nna ya na nne ya nyere ya, ọ pụghị ya apụ n'obi, ma ugbu a, o kpebiri na ya agaggị ejikwa ndụmọdụ ahụ mere ihe ọzọ (ihu 38)."

Nne Ụba nyere Ụba ndụmọdụ ma gwa ya ka o nwee okwukwe n'okwu Chineke mana ọ geghị ntị n'ihe ndị a niile. Odee agwa nne Ụba bụ Mmiriakụ were sipụta ya sị: "Ụwa dum maara na ọ bụ enweghị okwukwe n'okwu Chineke ka ụmụ mmadụ ji agagheri achọgharị ihe nrụba ama n'ụlọ ekpere ebe ndị na-ebu amụma ụgha nọ (ihu 40)." Ndụmọdụ ọ bụla nne na nna nyere nwa ha, a naghị aghọ ahịa dị ka nna Ụba gwara ya na ya achọghị Chibụeze dị ka enyi ya. Eziafakaego kwuru nke a sị: "Nwa m na-ejeso ndị maara ihe, ị ga-amakwa ihe, ma gatee aka ebe ndị nzuzu nọ, enyị gị na Chibụeze a, achọghị m ya (ihu 43)." Ntị bụ ihe ka e ji ya anụ abụghị maka Ụba, ọkpọchi ntị nke ya enweghị atụ. Ojinnaka kpọrọ Ụba n'igwe ma nye ya ndụmọdụ, okwu niile a bụ mmiri a na-awụsa n'okwute. Ojinnaka gwara ya Ọ sị: "Ụba ụdọ a ji gị n'olu, olee mgbe ọ ga-ahapụ gị? Ụba hịọtụọ n'elu, ọ hịọtụọ n'ala, gee ntị Ụba, o nweghị onye maara ihe ga-ahụchaa ụzọ, sowe ọhịa, o nweghị onye ga-ahụchaa ihe, chọwa ikpu isi (ihu 75)." Ọ bụ anụghị ndụmọdụ tinyere Ụba n'ọnọdụ ọ nọ n'ime ya n'ihi na ọ bụrụ na ọ nụrụ ndụmọdụ niile e nyere ya, ọ ga-abara nne na nna ya uru.

Ekweghị ekwe mmadụ aghaghị iduba ya n'ọkụ n'ikpeazụ, Ụba ji mkpọchi ntị, anụghị ndụmọdụ nne na nna ya mechara bee m gaara a mara. Ndụmọdụ niile nna ya nyere ya enweghị nke bara ntị. Ọtụtụ ezinụụlọ nọ na nsogbu ugbu a n'ihi mkpọchi ntị ụmụaka n'ebe ndụmọdụ nne na nna ha nọ, mana ihe dị n'ụwa bụ na nkụ onye kpara n'ọkọchị ka ọ ga-anya n'udummiri, maka na a sịrị na onye fee eze, eze erute ya. Ya bụ ka ụmụaka kpachara anya ma kwụsị i butere nne na nna ha ọbara mgbali elu n'ihi na ndụ adịghị abụọ. Akwụkwọ nsọ gwara anyị ka anyị soputụrụ nne na nna, ka ụbọchị anyị were dị anya n'elu ala ahụ Chineke kwere anyị na nkwa.

A hụtakwara nke a n'iduuazị *Mmiri ọkụ e ji egbu mbe*. Ndị Igbo kwenyere na erubeghị isi na egeghị okwu ndị nne na nna na-ewetara ụmụaka ọtụtụ ihe na ndụ a. Erubeghị isi na-ewetara ụmụaka ọnwụ erughị eru; ọ na-ewetara ha ahụhụ, nhụjuanya, agaghị n'ihu, ịkpọ asị, ịkwa mmakwaara, ihe isi ike na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Enyi anụghị okwu ndụmọdụ nna ya, ọ bụ ezi okwu na ọ dị obere nna ya wee nwụọ mana ọ bụrụ na o chetara okwu nna ya, ọ gaghị adịrị ya otu a mana ọ bụ n'ikpeazụ oge ihe mebisịgoro ka o chetara okwu nna ya dị ka Ubesie (1974:66):

> O wee cheta ilu nna ya tụụrụ ya sị, na ihe mmadụ na-ataghị ahụhụ wee nweta anaghị abara ya uru. O wee lebaa anya n'ụdị ndụ ya dịrị n'oge gara aga na ụdị ya na-adị ugbu a. Ihe o zutere n'ohi ezuola iji wee mee ya ka ọ ghara ịdakwa ogbenye ọzọ. Ma, ugbu a ka okwu nna ya na-ekwu doro ya anya, na ihe e zutere n'ohi anaghị aba uru n'ihi na a ihe a kpachatara n'akụkụ ite na-ala n'akụkụ ọnụ (ihu 66).

Mgbe Enyi na-eche echiche gbasara ndụ ya ka o chetara ilu nna ya tụụrụ ya sị na ihe mmadụ na-ataghị ahụhụ wee nweta anaghị abara ya uru. O wee kpọkọta ndị obodo sị ha na ya ga-amalite ọrụ ugbo.

1.4.3 Ịgba Mbọ

E zipụtara ịgba mbọ dị ka ihe e jiri mara ndị Igbo n'iduuazị *Adaeze.* Nke a mere ha ji atụ ilu sị na "Aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ." Ha na-ahụta onye achọghị ịgba mbọ dị ka onye ngana. O nweghị ihe onye na-agaghị eme ka o were kpata ego. Nwadike (2011:21) ji agwa a bu Mz. Uchechukwu were zipụta nke a sị:

> N'ihi ya na ndị Bekee rụkọrọ ọrụ mgbe gara aga, anya anaghị ehie ya n'ọrụ ya. Ọ bụ oje ozi n'ụlọ ọrụ ha. Anya ruru ya ala n'iheọ bụla ọ na-arụ. Ọ na-abịa ọrụ n'oge, zachaa ebe niile, hichachaa oche nke ọma, nọrọ chere mgbe onye isi na ndị ọzọ ga-abịa. Ọrụbido, ọ ga-esi n'otu ụlọ ọrụ fee n'ọzọịmara ebe ọ ga-egbomkpa. Ọ rara ahụ a hụ ya ebe ya na ndị mmadụ na-akọrị nkọrị n'oge ọrụ. (ihu 21).

N'ebimndụ ndị Igbo, ndị Igbo bụ ndị kwenyesiri ike na nkịtị adighị mma; ọ bụ ya kpatara n'ebe onye a nọla ọ na-agba mbọ. A hụtara ịgba mbọ dị ka ebimndụ ndị Igbo n'iduuazị *Achọwa isi ọchụ*. Ofomata (2009:1-2) zipụtara nke a site n'ịgba mbọ Okwudịrị sị:

> Okwudịrị bụ ịnya ụgbọala ka o ji akpata ihe ya na ndị be ya na-eri…. Ụdịrị ụgbọala nna Chigozie na-anya bụ gwongworo. Ọ na-eji ya ebugara ndị ahịa ibu ha n'ugwu Awụsa, ma sikwa ugwu Awụsa

> ebudatakwara ndị mmadụ ibu ahịa ha na mgbadata ala anyị a. Oge ụfọdụ, o si na be ha bụ Udura pụọ, ọ ga-anọzucha otu izu ma ọ bụ izu abụọ n'ụzọ tupu ọ lọghachitekwa na be ha bụ Udura. (ihu 1 – 2).

Ndị Igbo kwenyesiri ike na nkịtị adighị mma ọnụnọ, n'aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ ọ bụ ya kpatara na ebe onye ọ bụla hụtara onwe ya, ọ na-agba mbọ. Ọzọ bụ n'iduuazị *A na-agwa ntị*. Igba mbọ so n'otu ihe e jiri mara ndị Igbo. Ọ bụ igba mbọ mere na o nweghị obodo ị ga-aga n'ụwa niile ghara ịhụ onye Igbo. N'iduuazị a hụtara Ijeanụlị dị ka nwata na-agba mbọ n'ihi na mgbe Uba bụ di ya gara obodo oyibo were buo ogwu ike, e jidere ya ma tụọ ya mkpọrọ. Agụụ wee chọọ igbu Ijeaṅụlị na ezinaụlọ ya, o wee malite igba mbọ site n'itinye ọnatarachi Chineke nyere ya n'ọrụ dị ka Agwuna (2014:65) ji agwa Ijeaṅụlị were zipụta ya sị:

> Ha kpọọ ya, ọ gụchaara ha egwu, ha akwụọ ya ụgwọ. Ego mbụ ha nwetara buru ibu. Ọ maghị na ụdịrị ego a ga-esite n'egwu pụta. O wee banye na ya nke ọma n'ihi na ụra tọba ụtọ, e kwobe ya ekwo. O tipụtara ọtụtụ ọmarịcha egwu, tinye ya na kaseetị. E bidoro rewe ya ebe niile (ihu 65).

Ọ bụ site n'egwu ka Chineke si wee gozie Ijeanụlị ma mee ka ya na ezinaụlọ ya si n'ahụhụ pụta.

1.4.4 Ọrụ Ugbo

Ndị Igbo bụ ndị e ji ịrụ ọrụ ugbo wee mara dị ka e zipụtara n'iduuazị *Adaeze*. Ha na-esitekwa n'ọrụ ugbo na-akọpụta ọtụtụ nri dịgasị iche iche ndị mmadụ na-eri wee na-adị ndụ. Ụfọdụ nri ndị ahụ gụnyere; ji, akpụ, ede, ọna, osikapa, akịdị, egwusi d.g.z. Ha na-akọpụta ụdịrị akwụkwọ nri dịgasị iche iche dị ka ụgụ, onugbu, nchịanwụ, aṅara, mgbọrọdị d.g.z. Ndị Igbo na-akọpụtazịkwa mkpụrụ osisi dịgasị iche iche nke gụnyere: oroma, pawpaw/pọpọ, ugiri d.g.z. N'oge gboo, ihe ka n'ọnụọgụgụ na ndị Igbo bụ ọrụ ugbo ka ha jiri mere aka ọrụ. Nke a mere ụmụ nwoke ji alụ ọtụtụ ụmụ nwaanyị ka ha wee mụta ọtụtụ ụmụ bụ ndị ga na-enye aka n'ọrụ ugbo. Odee zipụtara nke a site n'agbamboọ Ụzụmma sị: "Dị ka onye gbasiri ike ọrụ, e nweghị nwaanyị ibe ya n'ogbe ha ṅere ya ụkwụ n'isi n'ebe ọrụ ubi dị. Ị baa n'ugbo akpụ ya, ji, ede, ọna, akịdị, ọka na akwụkwọ ndi dị iche iche na-abụ asụsụ." (ihu, 23).

Odee *Ọkpa Akụ Eri Eri* na-egosipụta ndị Igbo dị ka ndị e ji akaọrụ were mara n'ihi na ọ bụ otu ụzọ ha si enweta ego ha ji eri nri ma na-egbo mkpa dịịrị ha. Akaọrụ ndị ahụ gụnyere: ọrụ ugbo, ịkpa nkata, ịkpụ ite, ịkụ azụ, ịkpụ ụzụ, ite nkwụ na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. A maara ndị Igbo dị ka ndị hụrụ ọrụ ugbo n'anya. N'iduuazị a, odee ji agwa Akụbụzọ were ezipụta ọrụ ugbo n'agụmagụ ya. Ọ bụ onye na-agba mbọ nke ukwuu. Aka ya anaghị akọ n'ọrụ n'ihi na o kwenyere na aka akọ n'ahụ bụ dimgba. N'agbanyeghị na ọ bụ onye isi ụlọ akwụkwọ, ọ bụkwa diji. Akụbụzọ na-akọ ọtụtụ nri ndị Igbo n'ugbo ya nke gụnyere ndị a: ji, ede, akpụ, akịdị, inine, ụgbọgụrụ, na ọtụtụ ndị ọzọ. O nwekwara ọba ebe ọ na-eke ji ọ kọpụtara n'ugbo ya dị ka Odilora (2005:22) zipụtara ya site na ndụ Akụbụzọ sị:

> Akụkọ anaghị ekwe onye hụrụ ọba ji Akụbụzọ akọsị. Ọba ahụ bụ a hụ e kwe. N'ime ya ka Akụbụzọ gbara ụdị mmadụ ọ bụ n'anwụ. o mere ya ọ dị gburugburu dịkwa iche n'ọba ndị ọzọ. Anaghị ama ka ji dị na ya ha n'ihi na o kere ji okirikiri okirikiri n'ime ya. O gwuru olulu n'ọba ahụ ebe ọ na-eli ji ụfọdụ ka ndị ohi ghara ịhụ ha ma ọ bụrụ na ha abịa (ihu 22).

Ọrụ ugbo bụ ihe e leghaara anya n'oge ugbu a, ndị mmadụ amalitela tinyebe aka n'ịrụ ọrụ ugbo. Ụfọdụ na-akpakwa anụ ụlọ dị iche iche dị ka ewu, ọkụkọ, atụrụ, ezi dgz. Aka na-achị Anambara Steeti n'afọ gara aga kọwara mkpa ọ dị inwe ihe a kpọrọ "Ugbo azụ ụlọ". Ọtụtụ mmadụ tinyere aka n'ịkọ ugbu azụ ụlọ nke mere ka nri ju ebe niile. N'ime afọ a, garrị na akpụ na ọtụtụ ihe ndị ọzọ ndị ọrụ ugbu na-akọpụta dị ọnụ ala n'ihi na ọtụtụ mmadụ tinyere aka n;ọrụ ugbo. Ọrụ ugbo na-nye aka ma bụrụ ihe magburu onwe ya ka anyị ghara iledazị ya anya.

1.4.5 Inye Nwata Ezigbo Ọzụzụ

N'iduuazị *Achọwa isi ọchụ*, odee gosiri na ndị Igbo kwenyere na e nwere ụkpụrụ dị mma nwekwaa nke dị njọ mere na ọ bụrụ na ha hụ nwata ka ọ na-efu ụzọ, ha e were ụtarị ma ọ bụ ndụmọdụ were gbaziere onye ahụ ụzọ. Ofomata (2009:15-16) zipụtara nke a site na ndụ Chukwudịrị:

> Ka Okwudịrị na-akwado ka o buru ụgbọala ya gawa ọrụ n'ụtụtụ ahụ, nwunye ya na-akwado maka ahịa garị ọ na-ere n'Eke Udura, Chigozie n'onwe ya teta n'ụta nke ya were na-akwado maka akwa ọ ga-ebe…. Nna ya were pụọ n'ezi weta ụtarị ya na Chigozie ha n'ogo. O wee were ụtarị ahụ kọọrọ Chigozie na ahụ ka ntị anụ ihe. Mgbe Okwudịrị ji ụtarị ahụ abara Chigozie mmọnwụ ka Chigozie na-eti mkpu akwa na-akpọku nne ya ka ọ bịa zọpụta ya n'aka nna ya n'ihi na ọ bụghịzịkwa ihe ekwe na-akụ ka nna ya na-agba. (ihu 15 – 16).

A hụtakwara nke a n'iduuazị *A na-agwa ntị*. Tutu ọbịbịa ndị ụka n'Afrịka, ndị isi ojii ọkachasị ndị Igbo nwereriị atụmatụ dị iche iche ha si enye ụmụ ha ọzụzụ iji mee ka ha baa uru n'ezinaụlọ, n'ogbe nakwa n'obodo. Nwata ọ bụla a zụlitere nke ọma, nke a kpachapụrụ anya wee zụọ n'ụzọ agbụrụ si azụlite nwa na-akpachapụ anya n'ụzọ o si ebi ndụ. Akparamaagwa ya na-adị iche n'ebe ụmụaka ndị ọzọ a na-akpachapụghị anya wee zụọ dị. Ọ bụ akparamaagwa a ka ọ na-eji wee topụta mmadụ, nke na-agbazikwa omume ya mgbe ya na ndị mmadụ na-emekọrịta ihe. Ọ bụrụ na udi mmadụ a abanye n'ọchịchị ọ bụla: nke ụmụnna, nke ogbe nke obodo dgz, ọ na-abụ onye na-eme nke ọma n'ihi na ọ ga-eji ezi ọzụzụ e nyere ya wee chịa ndị e tinyere ya n'aka ma mekwaa ka e nwee ezi otuto na agamniihu n'ebe ọ na-achị. Ọ bụ n'ihi inwe mmụta ka Eziafakaego jiri zipụ nwa ya bụ Ụba ala bekee. Agwuna (2014:1-2) zipụtara nke a sị:

> Ọ chọghị ka ọkpara ya bụrụ iti ka ya. Ebe ọ gaghị akwụkwọ, ọ chọghị ka nwa ya soro ya nọrọ n'isi. Ọ chọrụọ ka o jepụ, webatara ha ihe na agamniihu na ngwuru be ha. Ikekwa ọ gachaa ala Bekee lọta, ọ ga-eso na ndị obodo na-ege ntị n'okwu ha. Ọ ga-esokwa na ndị na-ekwuru ọra. Sorokwa hụ na mmepe obodo na-aga n'ihu, (ihu 1 – 2).

Ndị Igbo kwenyere na uru mmadụ ọ bụla nwere ike ịba bụ nke gbadoro ụkwụ n'udi ọzụzụ e nyere ya nakwa etu onye ahụ siri mụtadebe usoro obibi ndụ, nkwenye na omenala ha, nke na-ezipụtakwa agwa agbụrụ ahụ nabatara maka ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke ga-eme ka onye ahụ baa uru n'ezinaụlọ na n'obodo

1.4.6 Mmegbu Ụmụaka

Ndị Igbo bụ ndị a maara dị ka ndị anaghị anabata mmegbu dị ka a hụtara n'iduuazị *Ọkpa akụ eri eri*. Odee ji agụmagụ ya were zipụta mmegbu nwata dị ka otu n'ime ebimndụ ndị Igbo.

Ọtụtụ ndị mmadụ na-emegbu nwata ya na ha bi n'ihi na ọ bụghị ya mụtara ha, ọ kachasị ndị ya na ha si n'otu ọbara pụta maka na ọ bụ otu onye si kpaa agwa ka a ga-esi kwụ ya ụgwọ. Akụbụzọ bụ onye n'adịghị emeta ụmụodibo ya mma nke na ha adịghị ezu ike ọrụ, oke ụtarị ọ na-apịa ha nakwa erijughị afọ. Akụbụzọ anaghị emere ụmụ odibo ya ebere n'inye ha ahụhụ ma o nwee ihe ha mere nke na-adịghị ya mma, ọ kachasị n'ebe ụmụnne ya ndị nwaanyị nọ bụ Azụka na Nwamgbo. Akụbụzọ pịara ha ụtarị nke mmadụ agaghị ekwe na ọ bụ maka na egbe buuru otu ụrịọm ka o jiri akpa ha eze, ọ bụghị naanị na ọ pịara ha ụtarị, o gbochiri ha iri nri abalị n'ihi na. Odilora (2005:108) sị:

> Ọ bụ oke nri ha na-eri ka ha jiri erifu uche. Akụbụzọ
> gwara ha ''Ụmụ ori nri agụta ọkụ, ụnụ amaghị
> ego ole egbe buru taa? ụrịom ahụ bụrụ nwunye, ụnụ amaghị
> na ọ pụrụ ịmụjụ ụlọ a? Ọ bụrụ oke, ụnụ amaghị ego ole a
> na-ere otu ọkụkọ n'ahịa? (ihụ 108).

Mmegbu adịghị mma n'ihi na onye i megburu nwere ike ọ bụrụ onye ahụ ga-enyere gị aka n'ọdịnihu. Egbe eburula ego ụgwọ akwụkwọ ụnụ oge a'. Ọ bụ n'ihi na egbe buuru otu ụrịom kpatara o jiri gwa ha na egbe buuru ego ụgwọ akwụkwọ ha, ya mere e jiri chụọ ha maka ụgwọ akwụkwọ, ha kwụsịrị akwụkwọ ma rụwa ọrụ n'ubi ha. Akụbụzọ gosipụtara mmegbu n'ebe Chinedu nọ mgbe otu ụrịom furu. Ọ tara ya ahụhụ site n'ịhapụ ya n'ezi ime abalị, Chinedu nọrọ n'oyi na-akwa akwa arịrị tupu chi ọbụbọ. Akwa ya emetụghị Akụbụzọ n'obi n'ihi na o sịrị na ọ bụ akwa aghụghọ ka ọ na-akwa (ihu 130). Akụbụzọ kwakwara Chinedu peelu mmiri ọkụ n'ahụ ya dum n'agbanyeghị ihe ọkụ dị na ya ga-eme nwata ahụ n'ihi na ụmụ ahịhịa jupụtara na mmiri Akụbụzọ ga-eji saa ahụ. Ma ọ bụ n'ịhi okwute na obi ọjọọ o nwere kpatara o ji emegbu ụmụazị mmadụ. N'ụwa taa, ọtụtụ mmadụ na-emegbu ụmụaka ha na ha bi site n'ịhapụrụ ha ozi ụlọ niile ka ọ bụrụ naanị ha ga eje ya n'agbanyeghị na ha mụtara ụmụaka toro eto nwere ike inyere nwatakịrị ahụ aka. Ụfọdụ anaghị ekwe ka nwatakịrị ha na ha bi gaa akwụkwọ ebe ụmụ nke ha na-aga.

Ya mere o jiri dị mkpa ka anyị jiri nwayo na-eso ụmụaka n'ihi na onye ọ bụla ji obi iwe ọkụ gbuo mmadụ ga-ata ahụhụ ya maka na ọ bụ nkụ onye kpatara n'ọkọchị ka ọ ga-aṅara n'udummiri. Wepụ aka enwe n'ofe tupu ọ ghọọ aka mmadụ. Ọzọ bụ na *Mmiri ọkụ e ji egbu mbe*. Ndị Igbo anaghị anabata mmegbu nwata. Ha kwenyere na e mee nwata ka e mere ibe ya, obi adị ya mma. Ọtụtụ ụmụ odibo na-agba bọyị, ndị na-ere ihe mbugharị, ndị na-eku nwa bụ ndị a na-emegbu. Ọ bụ ha bụ na obodo adighịzị mma taa. Odee *Mmiri ọkụ e ji egbu mbe* gosipụtara ihe ndị a site na ndụ Enyi. Ka nne na nna Enyi nwụchara, ọ gara be nwanne nna ya bụ Ebuzo soro ha biri. Site n'ụbọchị mbụ Enyị bịara ebe ahụ, nwunye nwanne nna ya kpọrọ ya asị. Ihe kpatara o ji kpọọ ya asị abụghị ihe ọzọ karịa ekworo ụmụnwaanyị. Ọzọ bụ na nwaanyị a amụtaghị nwoke nke a kpatara o ji eme o sichaa ihe oriri, o kunye nke ụmụ ya iche, kunyere Enyi nke ya iche. Ubesie (1974:9) gosiri nke a ebe a site n'agwa Nneka sị:

> Nneka sichaa ihe oriri, o kunye nke ụmụ ya iche, kunyere Enyi nke ya iche. O ji arụrụ ala na-ata Enyi ahụhụ. Ụbọchị sọrọ ya o tinyere ya nnukwu nri ma ofe ọ ga-ekunyere ya agaghị ezuru ya okpoko nri abụọ. Ụbọchị ọ chọrọ ikunyere ya ofe, nri ọ ga-etinyere ya aghaghị eju ya afọ. Nke ọzọ, Enyi atabeghị anụ e ji sie ofe dị ka ụmụ Nneka si ata. (ihu 9).

Imegbu ndị enweghị nne na nna adịghị mma n'ihi na o nweghị onye maara ihe ha ga-abụ echi.

Nneka ekweghị e bidoro Enyi akwụkwọ mana ụmụ nke ya na-aga akwụkwọ. Ọ bụrụ na ụmụ ya agaba akwụkwọ, naanị Enyi anọrọ n'ụlọ dị ka a hụtara na ndụ Nneka sị: "Ụmụ Nneka gawara akwụkwọ, ọ fọdụ naanị Enyi n'ụlọ. Enyi doziri ihe niile n'ụlọ, kụọ pam…. Otu a ka Enyi nọ, akwụkwọ wee gbasaa, ụmụ Nneka wee lọta, richaa ihe ehihie (ihu. 16)."

Ọ bụ maka na ohere adighịrị Enyi igụ akwụkwọ n'ụlọ Nneka na mmegbu niile Enyi natara n'aka Nneka mere o jiri malite biwe ndụ izu ohi n'ihi agụụ. Ọ bụ agwa Nneka n'ebe Enyi nọ mere o ji si n'ụlọ gbapụ, ọzọ. Ọnọdụ dị otu na-eme ka ụmụ odibo na-etinye aka n'ihe ọjọọ. Ndụ Enyi zipụtara otu ụmụaka ga-esi were ajọ ọnọdụ ha hụrụ onwe ha na ya banye n'ime ihe ọjọọ nke nwere ike iwetara ha ọdachi n'ọdịniihu. Ọ bụ mmegbu a ka Ubesie hụrụ n'afọ iri anọ gara aga wee na-ekwu ya ka e wee mara ihe e mere ajọ ọnọdụ a. Taa, ọ karịala, ọ bụzị ụmụaka a na-emegbu emegbu bụ na obodo adighị mma. Ha na-aghọzị ndị ohi, ndị ntọrị, ndị akwụna wee na-emebi obodo a. Mgbe Enyi nọ na be Nneka nwunye nwanne nna ya, ọ na-abụ ụmụ ya mee ihe ha ebodo ya Enyi, Ubesie (1974:12 – 13) gosipụtara nke a site na ndụ Nneka:

> Otu ụbọchị, Nneka hụrụ ya ebe o richara ihe na-atagharị ọnụ, wee jụọ ya ihe ọ na-ata n'ihi na ọ maara na ọ dighị ihe o kunyeere ya n'ofe. Mgbe ọ saghere ọnụ ka ọ saa Nneka okwu, Nneka sịrị ya ka ọ gbụpụta ihe ahụ ka ya hụ. Mgbe ọ gbụpụtara azụ ahụ, Nneka tie mkpu, sị ka a kpọọrọ ya ụmụaka ndị ọzọ. Mgbe ụmụaka bịara, ha chọwa Enyi mma. O weere unyi tee ya n'otu akụkụ ihu, were nzu tee ya n'akụkụ ihe nke ọzọ, were eriri gakọta okpokoro ejula na iko azụ ndụ, nyanye ya n'olu sị ụmụaka gụwara ya egwu a na-agụrụ onye zuru ohi (12 – 13).

N'ụwa taa, ihe dị otu a na-eme n'ezinụụlọ dị iche iche. Ha na-ebochi ụmụ odibo ọnụ, na-ebo ha ihe ha na-emeghị. Ọnọdụ dị otu a na-eme ka ụmụ odibo na-anọ na nwute oge niile, ọ na-emekwa ka ha na-echeta ọnọdụ ha nọ n'ime ya n'ụwa a. Mgbe ụfọdụ ibo ebubo a na-emekwa ka ha na-eche echiche ọjọọ gbassara ndị ezinụụlọ ahụ ma ọ bụ tinye aka ime ihe ndị ahụ e ji maka ya ebo ha ebubo dị ka ọ dị na ndụ Enyi. Ubesie (1974:13-15) ji agwa Nneka were zipụta nke a sị:

> Nke a mere Enyi ji wee sị, na ya ga-eji otu n'ime ha bọrọ ụgwọ, ebe ọ bụ na chi ya hụrụ ya ebe a na-eke ụdị anụ dị iche iche, kenye ya udele, na ya ga-egbupụ isi ya na ụkwụ ya, were mere akụkọ bekee…. Nke bụ ụlụ nwa Nneka bara n'ime ụlọ, ga meghee igbe nri, were otu ngaji mee ihe. Mgbe ọ pụrụ, Enyi gbabara n'ime ụlọ, taa azụ ndụ e ji tee ofe, chịrị iyeri ntị nwatakịrị nwaanyị ahụ aha ya bụ Adamma, chịnye n'ime ofe mịpụ (ihu 13 – 15).

Ọ bụrụ na e lee anya n'agwa a Enyi kpara ebe a, a ga-ahụ na ọ bụ nne ya ukwu tinyere ya n'ọnọdụ a. Ọ bụ n'ihi ọnụ nne ya ukwu bochiri sị na ọ bụ onye ohi ya na etu ụmụ Nneka niile si na-aṅụrị, na-amali elu ka ha ga-asị na Enyi abụghị nwanne ha tinyere ya n'ọnọdụ a. Ọnụ a nne ya ukwu bochiri ya mekwara ụmụ aka ndị ọzọ na-akpọ ya onye ohi, ụfọdụ ndị agbataobi ha ma ndị okenye hụrụ Enyi n'anya ekwerela na ọ bụ onye ohi. Nke a mere, ha adighị ekwe ya bata n'ụlọ ha dị ka o si na-abatabu n'oge mbụ. Dị ka mmadụ, ka anyị mara etu anyị ga-esi na-emeso ụmụaka anyị na ha bi. Anyị mara ihe anyị agaghị eme ụmụ anyị mụtara, ka anyị hapụ ime ya nwa onye ọzọ n'ihi ha nwa odibo ahụ bụkwa nwa mmadụ. Mgbe Enyi bochiri nwa Nneka ọnụ na ọ tara azụ, Nneka ataghị nwa ahụ ahụhụ dị ka ọ tara Enyi mgbe nke ya dị ka e ji agwa Nneka were zipụta ya

sị: “Enyi na-ege ntị ka a sị ya gaa chọwa ihe ejula, ma ihe Nneka mere bụ na o sekpụụrụ Adamma bata n’ụlọ, tie ya ihe (ihu 26).”

Ndị Igbo na-ekwu n’okwu sị na akwa ọkụkọ bụ nke a na-edobe edobe mana akwa ọgazị bụ nke a na-eri eri. Anyị lee anya n’ihe a Nneka mere, a ga-ahụ na Nneka achọghị ịkpagha nwa ya, ọ bụ ya mere o jiri kpọrọ ya banye n’ime ụlọ wee tie ya ihe mana mgbe nke Enyi, o tiri ya ọ gba n’ajịrịja ma mebọọ ya n’ihu ndị mmadụ kpatara ha jiri kpọbazịa ya onye ohi.

Ọ bụrụ na e lee anya n’ihe ndị a odee depụtara ebe a, a ga-ahụ na nwatakịrị a bụ Enyi na nne ya ukwu anaghị enye ya oke ruru ya n’ezi na ụlọ. A bịa n’ụwa taa anyị nọ n’ime ihe dị otu a na-emekwa na ezi na ụlọ dị iche iche. Ọtụtụ mmadụ na-akpọta nwatakịrị ka ha na ya biri mana ha agaghị na-enyeju nwatakịrị ahụ afọ. Ha ga na-asọ ya ọnụ na-agwa ya okwu nwute dị iche iche, ụmụ ha mụtara ga-elerekwa nne ha ma ọ bụ nna ha anya wee na-emesokwa ụmụ odibo ma ọ bụ nwa odibo ahụ omume adịghị mma. Mgbe ihe dị otu na-eme, ụmụ odibo ahụ na-anọ na nwute na ahụ ịjụ oyi oge ọ bụla dị ka ọ dị na ndụ Enyi. Ubesie (1974:9) ji agwa Nkechi were gosi nke a sị:

> Nke a kpatara na i lee ya anya, ahụ na-ajụ ya oyi mgbe ọ bụla. Ụmụ Nneka leere nne ha anya, wee jiri Enyi na-eme ihe iji kpaa ụka ọchị. Ụmụaka ndị ọzọ bi n’ogbe leere ha anya, na-emesi Enyi ike n’ihi na ụlọ kee nwanne ya n’abọ, onye ezi ebufuo ya. (ihu. 9)

N’agbanyeghị na Enyi bụ nwa nwanne di Nneka mana Nneka ji ya mere ihe nhicha ike nakwazị ihe e ji agba bọọlụ. Ọ naghị enyeju ya afọ ma ọ bụ nye ya mgbe ọ na-agụ ya.

1.4.7 Ịgọ Ọfọ

Ndị Igbo kwenyere n’ịgọ ọfọ. Ọ bụ ya ka ha ji ekwu okwu sị na ọfọ ka ide ji awa ala. Nke a pụtara na ọ bụ eziokwu na ikpenkwụmọtọ ka mmadụ ji ebi ndụ. Ọ bụladị na ibi ndụ ahụ rara ahụ, onye jide ọfọ ma ọ bụ ihe ndị a, ọ ga-aga nke ọma. Ọtụtụ aha ndị Igbo na-aba ụmụ ha na-ezipụta nke a dị ka Ọfọkansị, Jideọfọ, Ọfọjebe, Ọfọka, Ọfọlee, Ọgụjiọfọ, Ọfọzọba dgz. Ọmụmaatụ:

> “Nnaaa…
> Ọ ga-adịrị gị mma”
> “Ndị iro agaghị ahụ gị anya”
> Ncheta a ị na-echeta anyị,
> Chineke ga na-echetakwa gị ebe ọ bụla
> na ihe ọ bụla ị na-eme.
> Chukwu ga na-edu gị, na-anọnyere gị,
> Ọ ga-eburu gị ụzọ kpeere gị azụ
> Ma chetakwa… Biko nnaa; rubekwara nne na
> Nna gị isi makana ha bụ Chi nke ị hụrụ anya.” (ihu 3).

1.4.8 Ịwa Ọjị

Ka Agwuna (2014:20-21) siri zipụta nke a n’iduuazị ya, otu okenye wee kulite ọtọ, aha ya bụ Nwekenta. Ọ bụ onye isi n’ụmụnna ha. Ka o kelechara ndị ọbịa, tuchaa onye ọ bụla aha otutu ya, o wee malite ịgọ ọjị. Onyeisi ụmụnna kwuru nke a sị:

> “Enugwu Ukwu kwenụ… ya-a-ah!
> Ndị ọgọ anyị kwenụ… ya-a-ah!
> Ụmụnna niile kwenụ … ya-a-ah!
> Ọhaobodo kwezuenụ … ya-a-ah!
> Onye bọrọ chi, kelee Chi ya…

Ụka a kara aka bụ isi ka e ji ekwe ya…
Anyị na-akpọku Olisa ka ọ bịa gozie anyị…
Anyị bịara maka ikeri nwa anyị nwaanyị,
ụdara nke chazugoro achazu…
Chukwu nke hụrụ ụmụ ya n'anya,
Nara ekele…
Narakwa otito na mbuli elu.
Werekwa ịhụnanya na udo nke gị wee chọọ
mmadụ dum bịara ebe a mma… Ọgọ bụ chi onye.
Ije unu bịara be anyị ga-amịtara anyị na unu ezi
mkpụrụ
Ezi omume na-amalite n'ụlọ wee pụọ ezi
Agwa ọma amalitere kụnyewe na ndụ ada anyị
bụzị unu ka ọ ga-abara…
Anyị na unu ga-agọ ọgọ ma gọkaa ya nka…
Igbo kwuru sị na ọgọ bụ ikwu atọ…
Ọgọ nke anyị na unu ga-adị ka nke nwanne nọ na
mba… Ọ gaghị echi…. Ọ ga-abụ ije mmiri…
Ihe Chineke ga-ejikọta, mmadụ agaghị
etisa ya.
Anyị na-arịọ Olisa ka ọ gọzie ije unu a,
nye ha ọmụmụ nwoke, ọmụmụ nwaanyị….
Anyị niile ga-adịcha ndụ, kachaa nka, puchaa
isi awọ
N'aha Osebụrụụwa Onye nwe anyị ….
A-M-E-E-E-N! ISE-E-E-E (ihu 20 – 21)

Ndị Igbo kwekọrịtara na a na-agọ ọjị agọ tupu a taa ya. Ha kwenyere na-awasịa ọjị tupu a gọọ ya, na ọ bụ nwata wasịa ọjị, owere aka ọjị ya, tụpụ o bunye okenye bụ onye ọ dịịrị ịgọ ọjị.

1.4.9 Onye Aghana Nwanne Ya

Ndị Igbo kwenyere na ọ dịghị ihe dị ka nwanne. Ọ bụ ya kpatara ha ji atụilu na-asị na "ozusiwe isi, enyi ka nwanne a laa." Mgbe a tụchara Ụba mkpọrọ n'ala Bekee, ọ bụ Ojinnaka mere ka e wepụrụ Ụba afọ abụọ n'ime afọ asaa o kwesịrị ịnọ n'ụlọ mkpọrọ. Agwuna (2014:62) sị:

> Ka Ojinnaka lụchara nwaanyị, lọghachi ala Bekee, ihe mbụ o mere bụ na ọ gara chọtara Ụba ndị ọkaiwu. Mgbe okwu ahụ bịara ụlọ ikpe ọzọ, e nyezịrị Ụba afọ isii, wepụrụ ya afọ abụọ, ọ ga-anọzị n'ụlọ nga. Oge ahụ ka Ụba jiri ghọta na ọ bụ naanị mmadụ nzuzu na-eleda ndụmọdụ nna ya anya. (ihu 62).

Ndị Igbo bụ ndị kwenyere na mmekọrịta mmadụ na ibe ya ebe onye a nọla, onye aghala nwanne ya, ọ nọ n'ụlọ na ọ pụrụ mba.

1.5 Nchịkọta na Mmechi

Site na ntụcha nchọcha e mere, a chọpụtara na iduuazị niile nwachọcha họọrọ zipụtara ebimndụ ndị Igbo n'ụzọ dị iche iche n'ozuzu oke. Nwa nchọcha kọwapụtara agụmagụ dị ka enyo e ji ahụta ebimndụ ndị Igbo, o lebakwara anya n'iduuazị ndị a họọrọ wee site n'ime ha wepụtachaa etu ndị Igbo si ebi ndụ ha n'uju. Site n'iduuazị ndị a họọrọ ndị odee n'asụsụ Igbo gbara mbọ wee zipụta etu ndị Igbo si ebi ndụ ha n'otu n'otu. Iduuazị dị ka otu n'ime ngalaba agụmagụ pụtara akụkọ arọrọarọ oge ugbu a. N'akwụkwọ ndị odee isii a, ha gbara nnukwu mbọ iji zipụta echiche ha n'akwụkwọ iduuazị ha, ma mekwaa ka akwụkwọ iduuazị ha metụta ọgụụ n'ahụ n'ụzọ pụrụ iche. Ọ bụghị otu isiokwu ka ha niile dere maka ya n'akwụkwọ iduuazị ha. Ha niile dere ederede ha ka o siri metụta ha. N'akwụkwọ iduuazị ha dị iche iche, Nwa nchọcha chọpụtara na ederede ha metụtara ndụ na obibi ya karịsịa na ndụ ndị Igbo. Agbambọ ndị odee a nyere nnukwu aka n'ịkwalite agụmagụ Igbo. Ọ bụghị naanị nke a, kama o mekwara ka asụsụ na omenala Igbo na-agawanye n'ihu n'ihi na ha ji asụsụ Igbo dee akwụkwọ iduuazị ha ma tinyekwa ụfọdụ omenala ndị Igbo.

Edensibịa

Agwụna, C. N. (2014). *Agụmagụ Igbo*. Enugu: Academy.

Agwụna, S. (2003). *A Na-Agwa Ntị*. Onitsha: Mid-field.

Anidobe, C. J. (2017). *Ụgwọ Ọrụ*. Onitsha: Mary-Terese Computer Services.

Ezikeọba, I. U. (1991). *Ọmụmụ Agụmagụ Igbo*. Awka: Oktek.

Isichei, R. (1976). *A History of the Igbo People*. London: Macmillan Publishers.

Nwadike, I. U. (2011). *Adaeze*. Onitsha: Kawuriz and Manilas.

Nzeakọ, T. U. (1964). *Ọkụkọ Agbasaa Okpesị*. Onitsha: Gods Eagle Publishing Company.

Odilora, U. (2005). *Ọkpa Akụ Eri Eri*. Onitsha: UPC.

Ofomata, C. E. (2007). *Ndezi Ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Ofomata, C. E. (2009). *A Chọwa Isi Ọchụ*. Enugu: Format.

Randall, J. L. (2002). *A Complete Course in Literature*. London: School Oriental and African Studies.

Ubesie, T. U. (1974). *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe*. Ibadan: Caxton.

Ụzọchukwu, S. (1990). *Akanka Na Nnyocha Agụmagụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.